Agọmọjị N'ala Igbo Dị Ka Ọ Dị N'ụfọdụ Ejije Igbo Nke

Ihedigbo Ruth Ebere
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
+2348034722818
ebereihedigbo@gmail.com

Ezesinachi Juliet Ngozika
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka
+2348033223859/+2348154751685
ngozi.ezesinachi@unn.edu.ng/sinachijully@gmail.com

Na
Augustine Chimaijem Ọkwọ
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria Nsukka

Ụmị

Nchọcha a lebra anya n'agọmọjị dịka ọ si pụta ihe n'ejije Igbo site n'Igbado ụkwụ n'ejije abụo bụ *Akpịrị Richie Ụzọ* na *Ọgụamanam.* Mbunuche nchọcha bụ ịchọpụta ọnọdụ dị iche iche nke a na-agọ ọjị n'ala Igbo nakwa asụsụ nka dị iche iche na-eso ịgọ ọjị site n'ejije Igbo ndị a e ji mee nchọcha n'ihi na ndị Igbo kwenyere na agụmagụ nke ejije bụ otu n'ime ya bụ enyo ndụ ndị Igbo. Atụtụ njiatule bụ atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ. E nwetara njiatule site n'akwụkwọ ejije abụọ a họọrọ. Nchọpụta gosiri na ndị Igbo na-agọ ọjị n'ọnọdụ dị iche iche dịka alumdi, ekpere/arịrịo, ọgbakọ dị mkpa nakwa nleta okwu nka ndị a chọpụtara na-eso ịgọ ọgị dịka o si pụta ihe n'akwụkwọ a họọrọ bụ: ilu, mmemmadụ, akpalokwu na nkwugharị/nkwunwo. Na nchịkọta, nchọcha nyere ndụmọdụ ka ndị ode agụmagụ Igbo na-ewebata omenaala Igbo dị iche iche n'agụmagụ ha ka ndị na-amaghị ihe gbasara omenaala ndị ahụ nwee ike mata ya.

Abstract

This study looks into kolanut invocation in Igbo plays using *Akpịrị Richie Ụzọ* and *Ọguamanam* as reference texts. The objectives of the study are: to find out the different contexts in which kolanut invocation takes place in Igbo land and secondly, the figurative languages which feature during kolanut invocation using the selected texts because the Igbo believe that literature mirrows Igbo life. The analytical theories adopted for the study are the sign theory/semiotic and the contextual theories. The data for analysis were gotten from the reference texts. The results of the analysis shows that the Igbo invoke kolanut in different contexts such as marriage, prayer/supplication, important meetings and visits. The study also identified proverbs, personification, idom and repetition as figurative languages that accompanied kolanut ivocation in the reference texts. In conclusion, the study advised Igbo literary authors to capture cupious Igbo tradition in their texts as that will help those who do not know much about our traditions to learn.

1. Mpolite

Agụmagụ Igbo ma ọ bụ nke ọnụ ma ọ bụ nke ederede na eñomi ebimadu ndị Igbo. Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị ọka mmụta na ọkankuzi agụmagụ Igbo ji ahụta agụmagụ dịka enyo ndị Igbo. Ọ bụrụ na agụmagụ eñomighi ndụ na ebimndu ndi Igbo, a na-ahụta agụmagụ ahụ dịka nke ụwa nro.

E nwere ụzọ atọ nke agụmagụ nwere ike iji ñomie ndụ. Ụzọ atọ a bụ abụ, ejije, na iduuazị. Ụzọ agụmagụ atọ a nwere njirimara ha. Nchọcha a na-agbado ụkwụ n'ejije Igbo. Mbunobi nchọcha a bụ igosipụta etu ụfọdụ ejije Igbo si esebata omenala ịgọ ọjị n'ime ha.

Nwadike (2003) kọwara ejije Igbo dịka ejije ndị ahụ e dere n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa nke na-ejije ndụ ndị Igbo. Ejije ndị a ga-eji mee nchọcha bụ *Akpịrị Richie ụzọ* (ARU) nke Obidiebube dere na *Ọgụamanam* nke Gbujie dere (OAM). Ndụ ndị Igbo nke nchọcha a ga-agbado ụkwụ n' ejije ndị a họpụtara bụ omenaala ịgọ ọjị. Ndị Igbo ejighi ọjị egwu egwu. Ọ bara ọtụtụ uru n'ala Igbo dịka iji lekọta ndị ọbịa iji gosi ịhụnanya na ezi nnabata, e ji kwa ọjị alụ nwaanyị, eme nzuko, ịñụ iyị na ihe ndị ọzọ. Ndị Igbo nwere ọtụtụ ihe ha ji anọchite anya ọjị ma ọ bụrụ na ha enwee ọbịa mberede n'ihi na mberede nyịrị dịke bụrụkwa mberede ka e ji ama dịke. Ụfọdụ ihe ndị nwere ike ịnọchite anya ọjị n'ala Igbo bụ ose ọjị, mkpụrụ añara,

akị bekee, achịcha bekee na ihe ndị ọzọgasị. Anaghị agọ ihe ndịa nọchitere anya ọjị agọ. Ọ bụ sọọsọ ọjị ka a na-agọ agọ. Ọ dịkwa mkpa ikwupụta n'ebe a na e nwere ụdị ọjị abụọ. Ha bụ ọjị Igbo na gworo nke a na-akpọkwa ọjị Awusa. Ọjị ndị Igbo na-agọ nke nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya bụ ọjị Igbo. Ịgọ ọjị bụ ikpe ekepre n'elu ọjị wee kpokuo Chukwu okike Abịama ndị ichie na ndị mmụọ ka ha bịa taa ọjị. Ịgọ ọjị na-enwe otito ebe a na-eto mmụọ dị iche iche a naghị ahụ anya. Ọ na-enwe arịrịọ iji rịọta mmụọ ndị a ihe a n'aka. Ekele na-apụtakwa ihe mgbe ndị Igbo na-agọ ọjị n'ihi na ọgọ ọjị na ekele mmụọ ahụ dị iche iche a naghị ahụ anya nakwa onye chere ọjị n'ihi na ndị Igbo kwenyere na onye wetara ọjị wetara ndụ. N'ihi nke a, ọjị na-egosi ihu ọma na nnabata onye ọbịa.

Ihe chọcha ga-agbado ụkwụ na ya bụ igosipụta agọmọjị n'ala Igbo dịka ọ dị n'akwụkwọ ejije abụọ e ji ene nchọcha anyị bụ ARU na OAM igosipụta ọnọdụ dị iche iche ndị Igbo nwere ike ịgọ ọjị. Ọtụtụ ụmụafọ Igbo ọkachasi ndị na-etolite etolite amaghị na ọ bụghị n'ọnọdụ niile n'ala Igbo ka a na-agọ ọjị dịka na ọnọdụ akwamozu ma ọ bụ elimozu. Mbunuche nchọcha a bụ ka ụmụafọ Igbo nakwa ụmụakwụkwọ Igbo site na nchọcha a mụta ihe gbasara ọnọdụ agọmọjị n'ala Igbo.

2.2 Nchọcha e merela banyere isiokwu

N'ebe a, ndi nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha ndị ọzọ merela bụ ndị metutara nchọcha a e ji n'aka. Igboanusi (2001) mere nchọcha banyere omenala n'ụfọdụ iduuazi, ndị Naijiria. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma o nwere ka omenala siri bata n'iduuazi n'akụkụ Naijiria ndị e jiri mee nchọcha. Nchọcha a chọpụtara na omenala bụ ụkwụ osisi ebe ndị odee iduuazi si enweta mgbọrọgwụ ha ji ede iduuazi ha, maka na ọ na-eme ka iduuazị ha gosipụta ebibindụ ndị nwe ya. Nke a ga-akwalite mmụọ ndị na-agụ ya bụ iduuazi. Nchọcha ya gosiputakwara: mma na agwa nke ndi odee jiri chọọ iduuazi ha mma, dịka ọdịnala ikwuchim, amamihe, mmụta na ka e siri hụta ụwa bụcha ihe ndị hibere isi n'omenala. E jiri atụtụ nnyọcha ụbụrụ (saikoanalisis) wee tụchaa njantule. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị odee iduuazi kwesiri iwebata omenala ndị ahụ dị mma n'iduuazi ha. Myiri dị n'etiti nchọcha abụọ ndị a bụ na ha na-eme nchọcha maka agumagu. Ebe ndịiche dị na ha bụ na Igboanusi (2001) mere nchọcha banyere omenala n'iduuazi na Naijiria, ebe nchọcha a na-eme ugbu a na-eleba anya n'ịgọ ọjị n'ụfọdụ ejije Igbo. Ndiiche ọzọ bụ na Igboanusi jiri atụtụ *saikoanalisis* wee tụchaa njantule ya, ebe nchọcha nke a jiri atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ wee tụchaa njantule ya.

Iwu Ikwubụzọ (2012) mere nchọcha banyere ezi na ụlọ n'iduuazi Igbo anọ bụ ndị a họputara. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma usoro ebibindụ ndị Igbo batara n'iduuazi Igbo ndi ejiri mee nchọcha. E jiri atụtụ nnyọcha ụbụrụ (saikoanalisis) wee tụcha njatule. Nchọcha a chọputara na ebe ọbụla ndi Igbo nọ, ma ọ bụ n'ala Igbo ma ọ bụ n'ebe ọzọ na-usoro ebibindụ ha dị ha nnukwu mkpa maka ikwalite omenala ha nakwa agamniru nke obodo ha. Ọchọpụtakwara na nkwusike nke ezinụlọ bụ mgbọrọgwụ ji udo na agamniru nke obodo. O kwuru na ọ bụrụ na ezinaụlọ ọbụla dị n' obodo nwere udo na agamniru na obodo ahụ ha nọ n'ime ya ga-enwe udo na agamniru. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị odee iduuazị Igbo kwesiri iwebata usoro ebibindụ ndị Igbo ndi ahụ di mma n'iduuazị Igbo. Myiri di n'etiti nchọcha Iwu Ikwubuzọ (2012) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ na-eme nchọcha gbasara agụmagụ Igbo. Ebe ndị iche dị na ha bụ na Iwu Ikwubụzọ (2012) mere nchọcha banyere ezinụlọ n'iduuazi Igbo. Ebe nchọcha a na-eme ugbu a na-eleba anya n'ịgọ ọjị n'ụfọdụ ejije Igbo. Ndịiche ọzọ bụ na Iwu Ikwubụzọ jiri atutu *saikoanalisis* wee tụchaa njatule ya ebe nchọcha nke a jiri atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ wee tụchaa njatule ya.

Ifesieh (2016) mere nchọcha banyere iji asụsụ bekee gọọ ọjị n'Urhobo. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọputa ma e jiri asụsụ bekee gọọ ọjị n'ala Urhobo, ma ọ ga-anabatakwa ekpere ahụ dịka omenala Urhobo siri kwu na ọjị anaghị anụ bekee. Nchọcha a chọputara na-e were asụsụ bekee gọọ ọjị n'ala Urhobo, na ọgaghị eweta nsogbu ọbụla. Ọjị ahụ ga-anabata ya bụ ekpere n'ala Urhobo. Ọ chọpụtakwara na mmadụ ikwu na-e were asụsụ bekee gọọ ọjị n'ala Urhobo na ọjị ahụ agaghi anụ ma ọ bụ anabata ekpere ahụ n'ala Urhobo bụ okwu asị kpụ ọkụ n'ọnụ. O kwuru na ọ bụ nkwenye ndị nna nna ha kwenyere na ya, iji kwanyere ọjị ugwu. E jiri atụtụ nkọwa (Descriptive Analysis) wee tụchaa njatule. Myiri di n'etiti nchọcha Ifesieh (2016) na nchọcha nke a bụ na ha abụọ na-eme nchọcha gbasara ọjị. Ebe ndiiche dị n'etiti ha bụ na Ifesieh (2016) mere nchọcha banyere iji asụsụ bekee gọọ ọjị n'ala Urhobo, ebe nchọcha a na-eme ugbu a na-eleba anya n'ịgọ ọjị n'ụfọdụ ejije Igbo a họrọ.

2.3 Atụtụ nji arụ ọrụ

Atụtụ ndị e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a bụ atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ. Atụtụ akara bụ nke sitere n'aka De Saussure (1913). Atụtụ a na-agbado ụkwụ n'etu a ga-esi kọwaa akara nakwa ihe ha pụtara n'anya ndị mmadụ nakwa omenala ha.

N'echiche Semestky (2007), atụtụ akara bụ mpaghara fịlọsọfị bụ nke na-akọwa na tupu e nwee ezigbo nghọta zuru oke n'ihe ọbụla a na-eme na a ga-eleba anya n'okwu e kwuru n'ọnụ nakwa mmegharị akụkụ ahụ. Semestky (2007) kọwakwara na akara bụ ihe mmadụ enweghi ike inwe ezigbo nghọta gbasara ya nke ọma maọbụrụ na ọ kwụrụ onwe ya. Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụrụ na etinyeghi akara ihe ọzọ, nghọta ya agaghị ezucha oke.

Atụtụ akara na-ekwu na ihe ọbụla mmadụ mere bụ akara tinyekwara na ihe ọbụla mmadụ hụrụ na-egosikwa akara. Atụtụ a na-agbadokarị ụkwụ n'etu e si e nweta nghọta site n'akara nakwa nkọwa ihe akara ahụ pụtara bụ nke ga-eme ka nghọta ihe a na-ekwu maọbụ ihe a na-eme doo anya nke ọma. E jiri atụtụ akara tụchaa njatule na nchọcha a maka na abịa n'ịgọ ọjị, e nwere ọtụtụ akara dị n'ịgọ ọjị.

Atụtụ ọzọ e jiri rụọ ọrụ na nchọcha a bụ atụtụ ọnọdụ, bụ otu n'ime atụtụ ndị e ji enyocha maọbụ amụ maka asụsụ nakwa agụmagụ. Ọ bụ atụtụ ọnọdụ nke sitere n'aka Geertz (1973), mana Annis na David (1978) haziri atụtụ a n'ụzọ pụrụ iche site n'ịkọwa ya ka ọ bụrụ nchịkọta ọtụtụ atụmatụ dị na fịlọsọfị, bụ nke gbadoro ukwu na ọ ka mma iji ọnọdụ maọbụ mgbe ihe mere kọwaa ihe ahụ mere. Schaffer na Knobe (2011) si na atụtụ ọnọdụ na-arụtụaka n'ihe ọbụla gbasara amamihe. Ha kwukwara na ihe na-eme dị ezigbo mkpa mana e wepu ọnọdụ ihe jiri mee na ọ gaghị enwe ezigbo nghọta. Schafter na Knobe gara n'ihu kwuo na agwa, ogo, olu, echiche, ajamike maọbụ otito na ọsịsa nke ndị nọ n'emume ahụ bara uru nke ukwuu etu emume ahu siri baa uru n'anya ndị nwe ya. Ya mere a ga-e ji leba anya nke ọma ka ọnọdụ na ihe mere n'ọnodụ buru ihe ga-abata n'agụmagụ.

Berendt (2008), kwuru na ọnọdụ maọbụ agụmagụ na-ekwu maka omenala na uru ha na-abara ndị nwe ha. Nke a ga-eme ka ọgụụ maọbụ onye nkiri ghọtachaa ihe niile e mere maọbụ e kwuru na mmemme ahụ bụ nke gbasatara ndị nwe emume ahụ. E jiri atụtụ ọnodụ wee tụchaa njatule na nchọcha a maka na ọjị ọbụla a gọrọ ga-e nweriri ọnọdụ a nọ na ya wee gọọ ọjị ahụ. Atụtụ ọnọdụ batakwara na nchọcha a maka ọ na-ekwu na ọnọdụ bara uru nke ukwuu n'agụmagụ, ma ịgọ ọjị bụ otu ụzọ ime agụmagụ.

3. Ntụcha njatule

N'ebe a, a ga-agba mbọ weputacha ịgọ ọjị niile dị n'ejije ndị a họọrọ. A kọwara ọnọdụ maọbụ emume a nọ na ya nwetachaa ịgọ ọjị ndị ahụ. E ji atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ wee kọwaputa ka ịgọ ọjị n'omenala ndị Igbo siri pụta ihe n'ejije Igbo ndi a họọrọ. Ịgọ ọjị n'ụzọ omenala Igbo pụtara ihe ka a kọwara n'okpuru ebe a:

3.1 Ịgọ ọjị dịka o si puta n'ejije ndị a họọrọ.

Ịgọ ọjị bụ otu n'ime omenala Igbo bụ nke e nwetara n'ejije abụọ ndị e ji eme nchọcha a. Ndị Igbo bụ ndi tinyere uche nke ukwuu n'ịgọ ọjị n'ebe e nwere mmemme maọbụ ọgbakọ. Ha nwekwara nnukwu nkwenye n'ebe Chukwu ha nọ. Ọnọdụ maọbụ mmemme dị iche iche ebe ịgọ ọjị putara ihe n'ejije ndị e jiri mee nchọcha a gunyere:

3.1.1 Ọnọdụ alụmdị na nwunye

Alụmdị maọbụ alụmdi na nwunye bụ otu n'ime emume maọbụ ọnọdụ ebe ịgọ ọjị putara ihe n'ejije Igbo ndị a. N'ARU (ihuakwụkwọ 3), e nwere ịgọ ọjị. Nke a bụ mgbe Oduchie na Adiele bịara be Amadi maka igba njụ alụmdị na nwunye ga-adị n'etiti Uzoma na Akuebue. Amadi cheere ndị ọbịa ya ọjị. Ka a wachara ọjị ahụ, Amadi gọrọ ọjị ahụ si.

> "…A kpara ọjị n'aka ndị mmụọ añawa ntị.
> Onye biri ibe ya biri
> Egbe bere, ugo bere, nke si ibe ya ebela,
> Nku kwapu ya n'ike.
> Ọgbọ ugbu a na-asị nku akwala ya,
> Kama ya gosi ya ebe ọ ga-ebe…" (ihu 3)

E lee anya n'ọjị ahụ Amadị gọrọ, a ga-ahụ na ọ metutara atụtụ akara. Nke a pụtara ihe mgbe o kwuru si "a kpara ọjị n'aka ndị mmụọ anaa ntị", bụ nke na-egosi na Amadi adịla njikere ka ya na Chukwu, ndị mmụọ nakwa ndị nna nna ya nọ n'ala mmụọ kparịta ụka. N'ọnọdụ a, ọjị gosiri akara udo, inye onye ọbia ọjị n'ala Igbo na-egosikwa ihunanya nakwa inwe ezigbo echiche nakwa nnabata ebe mmadụ maọbụ onye ọbia nọ. Atụtụ ọnọdụ dị mkpa n'ịgọ ọjị ahụ maka na ọ na akọwa ọnọdụ maọbụ mmemme a nọ na ya mgbe Amadị gọrọ ọjị ahụ dịka ile ọbia metutara alumdi na nwunye.

Ebe ọzọ ịgọ ọjị putara ihe n'ARU bụ n' (ihuakwụkwọ 59 – 60), nke a bụ mgbe Amadi jiri ọji wee kpee ekpere mgbe ọ na-edunye Akuebue na ụmụnna ya nwa ya bụ Uzoma ka ọ bụrụ nwunye ya. Ọ gọrọ ọjị si:

"…unu ga-abụ dị na nwunye rue n'ọnwụ.
Ọmụmụ nwoke, ọmụmụ nwanyị bụ ekpere m n'isi unu.
Ihe unu ga-eri agaghị akọ unu.
Ndị be anyi ọ kwanụ ya eee?..."

Atụtụ akara batara n'ịgọ ọjị ahụ maka na ndị Igbo bụ ndị nwere nkwenye na-ebe ọbụla a na-alụ nwanyị maọbụ ebe ọbụla ndị Igbo gbakọrọ na a ga-agọrịrị ọjị. Ndị Igbo kwenyere na o nweghi ihe ọbụla ha nwere ike ime ma Chukwu anọnyereghi ha. Ya mere, ihe ọbụla onye Igbo ga-eme, ọ na-echeta Chukwu kere ya. Ọjị na-egosi akara mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na Chukwu n'ala Igbo. Ya bụ na ịgọ, ọjị n'ala Igbo mgbe a na-alụ nwanyi na-egosi inye Chukwu ekele maka ihe ọma na-achọ ime n'ezinaụlọ ndị ahụ ma na-achọkwa enyemaka Chukwu nakwa mgbazi iji hụ na ha nwere ezigbo ezinaụlọ. Echiche ndị Igbo kacha pụta ihe n'ịgọ ọjị ahụ bụ ụba nwoke na ụba nwanyi. Usoro omenala pụtara ihe n'ịgọ ọjị ahụkwa bụ ihunanya n'ebe mmadụ ọzọ nọ. E leekwa anya nke ọma n'ịgọ ọjị ahụkwa, a ga-ahụ na atụtụ ọnọdụ batara na ya, mgbe Amadi kwuru si: "unu ga-abụ dị na nwunye rue n'ọnwụ, ọmụmụ nwoke, ọmụmụ nwaanyi bụ ekpere m n'isi unu, ihe unu ga-eri agaghị akọ ụnụ". Onye lebaa anya nke ọma n'ịgọ ọjị ahụ, ga-amata na ọ bụ n'ọgbakọ maka alụmdi na nwunye ka a nọrọ gọọ ọjị ahụ.

3.1.2 Ọnọdụ nkata dị mkpa/ọgbakọ

N'OAM (ihuakwụkwọ 4-5), Mz. Njọkụ Cheere ma gọọ ọjị mgbe Mz. Nwokoro, Iwejụa na Ogbuehi bịara be ya ịkpa maka ọhịa ala eze agụ bụ nke na-esere Ikekwem Ọkpụrụka na Oguamalam Okenpi okwu. Njọkụ gọrọ ọjị ahụ si:

"…Ọbasị bi n'elu, bịa taa ọjị.
Amadịọha bịa taa ọjị
Ọkahịa na Uruamụrụkwa, bịa taa ọjị
Chineke kechara ụwa, wee kee ya mbadamba
Ka onye ukwu na onye nta biri n'ime ya n'udo…"

N'ọnọdụ nkata dị mkpa a, Mz Njọkụ jiri ohere a wee gwa chi ha ka ọ zọpụta ha n'ajọ ihe niile di n'ụwa. Nke a gosiri na ndị Igbo bụ ndị nwere nkwenye pụrụ iche

na tupu a malite mmemme maọbụ ọgbakọ ọbụla n'ala Igbo na ịgọ ọjị ga-eburiri ụzọ bịa tupu ihe ọbụla enwee isi. Ihe nke a pụtara bụ na ha nwere nnukwu nkwenye na ha agaghi eme ihe ọbụla ma ha ebughi ụzọ gwa chi ha ka ọ bịa were ọnọdụ buru ha ụzọ ma kpere ha azụ n'ọgbakọ ahụ. Nke a gosiri na okwukwe ha dị n'ebe chi ha na Chukwu nọ. Echiche inwe obi ọcha maọbụ onye biri ibe ya biri putara ihe n'ahịrị ise nke ikpeazụ n'ịgọ ọjị ahụ. Atụtụ ọnọdụ batara n'ịgọ ọjị ahụ mgbe Amadị gọrọ ọjị sị:

"…Chineke kechara ụwa, wee kee ya mbadamba
Ka onye ukwu na onye nta biri na ime ya n'udo…".
E lee anya n'ekpere ahụ Njọkụ kpere, a ga-amata na ọ bụ ọnọdụ ikpe udo ka ha nọ na ya.

3.1.3 Ọnọdụ ekpere/Arịrịọ

N'OAM (ihuakwụkwọ 1), Mz Njọkụ jiri ọjị wee kpee ekpere ututu. Ọ gọrọ ọjị ahụ si:

"…Nna ọpara eke, lee ọjị
Amadiọha na ogwugwu
O du m eje ọgụ
Onye ikiti ụkwụ ya na-asụpụ ala
Bịa taa ọjị
Ọbasi bi n'eluigwe
Chineke na-emere mmụọ na mmadụ
Bia nara nwa gị Njọkụ ọjị taa…"
(o wee nyawa ya, tụpụ otu ibe ọjị ahụ n'ihu chi ya ma taa nke ọzọ)

N'ịgọ ọjị ahụ, atụtụ akara pụtara ihe na ya nke ọma mgbe Mz Njọkụ tụpụrụ otu ibe ọjị n'ihu chi ya iji gosi na ọ gọchala ọjị ahụ, ma gosikwa na ọ bụ chi ya ga-ebu ya ụzọ taa ọjị ahụ. Atụtụ ọnọdụ batakwara na ya maka na e lee anya n'ịgọ ọjị ahụ, bido n'isi rue na njedebe, ha niile dịcha n'olu arịrịọ. Iji gosi na ọ bụ n'ọnọdụ arirịọ ka a nọ gọ ọji ahụ.

N'ARU (ihuakwụkwọ 7 – 8). Mz Amadi gọrọ ọjị mgbe o kpere ekpere ụtụtụ ma na-arịọkwa Chukwu ka omere ya ihe ọma n'ụbọchị ahụ. O weliri ọji elu si:

"…Elu bịa taa ọjị, ala takwa ọjị.
Elu nụọ mmanya, ala nụọ mmanya

(Ọ gbasa mmanya n'ala sị:()
Egbe bere, ugo bere
Nke si, ibe ya ebela,
nku kwapu ya
Ụtụtụ tụtụrụ mma…"

N'ịgọ ọjị ahụ, atụtụ akara pụtara ihe na ya nke ọma mgbe Mz. Amadị weliri ọjị elu, nke ahụ gosiri na-ọdịla njikere ị gwa ndị mmụọ na Chukwu okwu. Echiche iwe obi ọcha ma ọbụ aka mkwụọtọ pụtara ihe n'ahiri atọ nke ikpazụ n'ịgọ ọjị ahụ. Ọnọdụ Amadi nọ wee kpee ekpere ahụ bụ ọnọdụ arịrịọ, ya mere atụtụ ọnọdụ jiri bata n'atụtụ njatule.

3.1.4 Ọnọdụ nleta

N'OAM, (ihuakwụkwọ 4 – 5), ịgọ ọjị ọzọ batara mgbe Mz. Nwokoro, Iwejụa na Ogbuehi bịara be Mz Njọkụ ka ha kpaa maka esemokwu dị n'etiti Ikekwem Ọkpụrụka na Oguamalam Okempi. Njọkụ cheere ha ọjị ma welie ya elu sị:

"…Ọbasi bi n'elu, ọjị abia.
Amadịọha, bịa taa ọjị,
Ọkahịa na Uruamurukwa, lekwanụ ọjị.
Chieneke kechara ụwa, wee kee ya
mbadamba n'ebo n'ebo ka onye ukwu na onye nta biri n'udo
Ndụ iyi ndụ azụ, iyi atala ma azụ anwụla.
Onye sikwa ka nanị ya biri
ya buru ọkụkọ ụzọ labaa ụra…"

A bịa n'ịgọ ọjị ahụ Njọkụ gọrọ, atụtụ akara pụtara ihe mgbe Njọkụ weliri ọjị ahụ elu, nke ahụ bụ iji gosi na ya adịla njikere igwa ndị mmụọ na Chukwu okwu. Ọzọkwa bụ na-ịgọ ọjị ahụ gosiri na Mz. Iwejuo, Nwokoro, Ogbuehi na Njọkụ matara na e wezuga Chukwu na ndị nna nna ha na ihe ọbụla ha ga-akpa agaghị e nwe isi. Atụtụ ọnọdụ putara ihe n'ịgọ ọjị ahụ maka na-e lee anya n'ịgọ ọjị ahụ nke ọma, o gosiri na ọ bụ ọnọdụ ịkpa nkata udo ka ha bịara ịkpaa.

4. Okwu nka ndị pụtara ihe n'agụmagụ e lebara anya

Abia n'ejije ndị ahụ e jiri mee nchọcha a, ndị odee webatara nyaji maọbụ ure dị iche iche mgbe ha na-agọ ọjị ndị ahụ n'ọnọdụ dị iche iche ha jiri chọọ ejije ndị ahụ mma, ha bụ ndị a:

4.2 Ilu

Mbah na Mba (2007), siri na ilu bụ okwu amamihe nke na-eme ka e chemie echiche nke ọma maka ihe a na-akpa maka ya. Lee ahịrịokwu ndi a dị n'ala, ha bụcha ihe ọmụmatụ ndị si n' ARU n'(ihuakwụkwọ 36).

"Egbe bere ugo bere, nke sị ibe ya ebela, nkukwapu ya n'ike".

Amadị tụrụ ilu a mgbe Adiele na Ọdụchie bịara be ya maka alụmdi na nwunye ga-adị n'etiti Akụebue na Ụzọma. O jiri ilu ahụ gosikwa ha na ya nwere obi ọcha na ihunanya n'ebe ha (ndị ọgọ) ya nọ: Ebe ọzọ e nwere ilu n'ịgọ ọjị n'ARU bụ n'(ihuakwụkwọ 56), mgbe Amadị kpere ekpere ụtụtụ tụọ ilu si:

"Onye sịrị na ihe dị mma adịghị ya mma, ihe ọjọọ kpọkwa ya ihu, ya apụkwala apụ na be ya.

Echiche dị n'ilu ahụ bụ na Mz. Amadị jiri ya gosi na ya ji obi ya niile rịọ chi ya ihe ọma n'ụbọchị ahụ.

4.1 Mmemmadụ

Mbah na Mbah (2007), kwuru na mmemmadụ bụ atụmatụ okwu nke na-egosi ihe a na-ahụ anya na ndị anaghị ahụ anya bụ ndị anaghị eku ume dịka mmadụ. N'ARU (ihuakwụkwọ 7-8), e nwere mmemmadụ oge Mz. Amadị na-ekpe ekpere ụtụtụ. Ihe ịmaatụ:

"Elu taa ọjị, ala taa ọjị"

N'ilu ahụ, elu na ala bụ ihe ndị anaghị ahụ anya ma ha anaghị eku ume, mana Mz. Amadị gwara ha okwu ka ha bụ mmadụ oge ọ na agọ ọjị ụtụtụ ahụ. Ọzọ bụ n'(ihuakwụkwọ 7 – 8), ebe e nwekwara mmemmadụ. Nke a bụ mgbe Mz. Amadị na-agọ ọjị ụtụtụ, ọsịrị "…ụtụtụ tụtụrụ mma, ụtụtụ bụ isi mbido ụbọchi, ya mere Amadi jiri gwa ya okwu ka ọ wetara ya udo na ihe ọma n'ụbọchị ahụ. Ụtụtụ anaghi eku ume, anaghị emetu ya aka, maọbụ hụụ ya anya mana Amadị gwara ya okwu ka mmadụ.

4.3 Akpalaokwu

Akpalaokwu bụ nkebi ahịrị maọbụ okwu ọ na-abụ ekwue, nghọta ga-adị na ya adị iche na nghọta ihe e bunuche wee kwue ya. Eze (2017) kwuru na akpalaokwu bụ okwu amamihe di nkenke nke e ji achọ asụsụ mma. Ọ sịrị na nghọta ya na-adị mfe karịa ilu n'ihi na site n'ihe e jiri maa atụ, a ga-aghọta ihe a na-ekwu maka ya. Lee ọmụmatụ nke sị n'OAM, ihuakwụkwọ 4 – 5.

"Onye sikwa ka nanị ya biri,
Ya buru ọkụkọ ụzọ laba ụra".

Ọ bụ mgbe Mz. Njọkụ na-agọ ọjị o nyere Nwokoro, Iwejụọ na Ogbuehi mgbe ha bịara be ya ka o kwuru akpalaokwu ahụ.

4.4 Nkwughari/Nkwunwo

Okoh (2014), kọwara nkwughari dịka mgbe ihe maọbụ okwu e kwuru ugboro kwuru ugboro n'otu edemede. Imatụ bụ okwu ndị a dị n'ala ala: N'OAM (ihuakwụkwọ 4 – 5), e nwere nkwugharị mgbe Mz. Njọkụ gọrọ ọjị oge Mz. Nwokoro, Iwejụọ na Ogbuehi bịara be ya ịkpa maka ọhịa ala eze agụ bụ nke na-esere Ikekwem Okpụrụkpa na Oguamalam Okempi okwu. Njọkụ gọrọ ọjị sị:

"Ọbasị bị n'elu taa ọjị
Amadịọha bị a taa ọjị
Ọkaọhịa na urumarụrụkwa bịa taa ọjị…"

N'ịgọ ọjị ahụ, Njọkụ kwughariri "bia taa ọjị" ugboro kwuru ugboro iji gosi ka ekpere ahụ siri anụ ya ọkụ n'obi.

Nchịkọta/Mmechi

Nchọpụta nchọcha a na-egosi na ndị odee ejije Igbo ndị e jiri mee nchọcha a webatara ịgọ ọjị n'ụzọ omenala ndị Igbo n'ejije ha. Ha webatara ịgọ ọjị ndị ahụ n'ọnọdụ dị iche iche dika: alumdi na nwunye, ọgbakọ/nkata dị mkpa; ekpere/arịrịọ na nleta. Nchọpụta e nwetara na-egosikwa na ịgọ ọjị ndị ahụ n'akwụkwọ ejije nwere ike bụrụ ka e wee kwalite omenala Igbo. O nwekwara ike ịbụ ka e gosipụta ka ndị Igbo siri hụta ụwa maọbụ echiche ha site n'ịgọ ọjị ndị ahụ. Ndi odee jiri ejije ha gosipụta etu ndị Igbo si ebi ndụ dịka o si metuta ịgọ ọjị. Nchọcha a chọpụtakwara na atụtụ akara na atụtụ ọnọdụ batara n'ịgọ ọjị ndị ahụ nke ukwuu. Nchọcha a gosịkwara na a na-ewebata okwu nka dị iche iche mgbe a na-agọ ọjị.

Ịgọ ọjị kwesiri ka ndị odee agụmagụ na-ewebata ya n'akwụkwọ agụmagụ na-egosipụtakwa obibi ndụ ndị nwe ya. Ya bụ na ọ dị nnukwu mkpa ka a na-etinye ịgọ ọjị n'agụmagụ ndị Igbo ka ndị ntorobịa na-amaghị otu e si agọ ọjị mara ha.

References

Annis, P. & David, S. (1978). A contextual theory of epistemic justification. *American philosophical quarterly*, 15, 213 – 219.

Behrendt, S.C. (2008). Contextual. Analysis (retrieved February 17, 2014 from http://www.unl.edu/english/sbehrendt/studyquestions/contextual.analysis.html)

Schaffer, I. & Knobe, J. (2011). Contextual knowledge surveyed. *Nous*: 46(4), 675-708.

Geertz, C. (1973). *The interpretation of cultures: Selected essays.* New York: Basic Books.

Ifesieh, E.C. (2016). Untranslatability fallacy of Urhobo kolanut presentation ritual power symbols Ph.D Thesis, Department of Languages and Linguistics, Delta State University Abaraka, Nigeria.

Igboanusi, H. (2001). Igbo tradition in the Nigerian novel. *African study monographs*, 22(2), 47-54.

Iwu, I. (2012). Family and the Igbo novel, a paper presented at the Department of Linguistics, African and Asian Studies, University of Lagos.

Mba, B.M. & Mba, E.E. (2007). *Azuonye: Lecture on Igbo literature and stylistics.* Enugu: University of Nigeria Press Ltd.

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo.* Onitsha: African Publishers Ltd.

Obidiebube, J.I. (2009). *Akpịrị Richie Uzọ*. Onitsha: Auchaki international publisher.

Semetsky, I. (2007). Introduction: semiotics, education, philosophy. *Studies in philosophy and education,* 3(1), 179-183.

Gbujie, C.O. (1979) *Ọgụamalam*. Ilupeju: Machmillan Nigeria Publisher Ltd.